| | Time | Page |
|---|---|---|
| **Otu n'ime Afrika akpoola oku nhiwe iwu**<br>Gbasatara ebumputa uwa na mgbanwe ndi nnochite anya nke Afrika n'onodi Nzuko nke ise gbasatara ndu di iche iche bu nke enwere na Nairobi ekwukwasila mkpa odi ichekwa ime obodo na oke nke rurue ndi oru ugbo. | **4mins. 35 secs.** | **3** |
| **Ndi otu oru nleeta umu anumanu akatoola onodi ichu nta umu anumanu na Namibia**<br>Ndi otu Ego Nleeta umu Anumanu nke Etiti uwa a ka tooala mkpebi nke mba Namibia Igbatikwu oku onodi ichu nta umu anumanu. | **4mins. 30secs** | **3** |
| **Agwala ulo oru nsiputa ciment inwe mmetuta ahu ebe gburugburu no**<br>Na mba Kenya, atuoola aka mgba nyere umu ulo oru di iche iche na esipute ciment n'etiti Afrika itinye kwa uchu n'oru Nchikota na Nchekwa gburugburu. | **2mins. 30 secs.** | **4** |
| **Ghana: Mmepe onu**<br>Ozi ohuru na egosiputa ihe ohuru di n'umu tigbue zoogbue bu nke mmeghidere Ndiom na Ghana. | | |
| **Isi ochichi di iche iche zukoro ileebaghari anya n'ime ndu umu anuohia nke Afrika.**<br>Ka nnukwu Otu di Iche iche Kwekotara na usoro meghidere ahia mgbere uzo nke na ezighi ezi enwere na fauna na flora Afrika zukoro na Nairobi, otu onye oru nyocha, kwenyere na nke a bu otu uzo iji wee kwado amuma Afrika iche-kwa ndu Anuohia. | **4mins. 15secs.** | **5** |
| **Na ntuli aka nke nghoputa odi nso a, enweala ubara ndi inyom sonyerenu na mba Zimbabwe**<br>Na ntuli aka nghoputa usoro ochichi nke biara na mmechi odi n so a, inyom Zimbabwe gbara mbo ibawaye kwu n'usoro onu ogugu. | **6mins.** | **6** |
| **Ndi oru nta akuko, dika ndi okpu udo na oge ogbaghara.**<br>Onodi nzuko omumu ihe nke nwere odi nso a na Naijiria kporo oku ka eleeghari anya n'umu nzube nile nke ulo oru nta akuko na aru na oge ogbaghara. | **3mins. 8secs.** | **7** |
| **Nche kwa umu azu sharks n'etiti odida anyanwu nke Afrika**<br>Ndi otu oru umu nche -kwa umu ihe, ekwueala ka eche-kwa umu Azu sharks n'umu azu ndi ozo n'etiti mpaghara odida Anyanwu nke Afrika. | **10mins. 6secs.** | **7** |
| **President Clinton ebinyela aka n'ime akwukwo isi ogbugba ndu abuo**<br>Mba United States bu n di obodo mbu nke na ebinye aka n'ime akwukwo banyere isi okwku ogbagba ndu abuo nke otu United Nations kwadorosiri ike ntoozu oke nke etiti uwa na nche kwa umuntakiri | **2mins. 9secs.** | **9** |

**Iji nwayo emmepe obodo:- nnukwu
ihe iyi egwu di ebe usoro ahu ike na gburu gburu no** **8mins. 33secs.** **8**
Akwukwo ozi nke otu United Nations egosila na enweghi ezi amuma nke mmepe obodo dika nnukwu ihe iyi egwu usoro ahu ike nke ndida Anyanwu Afrika.

**Ndi otu mgbaghara nke etiti mba uwa a kpoola oku ka eweeta mpu na aghugho nile nke gbara na Sierra Leone na mmechi** **9mins. 48secs.** **10**
Ndi otu nwere onwe achoputaala na mkporo ha na inwe nke mmanye mmeko nwoke na nwanyi na igbara ohu dika umu ihe ndi nke ziputara onwe ya ihe n'etiti agba ogboo ogu weere afo itolu gbara na mba Sierra Leone.

**Beijing tinyere ise: ndi otu nnochite anya nke Afrikanwere ihe ngharipu obi n'onodi nzuko ndi inyom.** **9mins. 9secs.** **12**
Nnukwu ogbako nzuko nke ndi inyom bu nke aturu anya abiala ma gaafe, kwa ma ihe nke aturu anya kpuru afo n'ala.

**Nche kwa ndu oru ugbo kpughere oke ohia nke Malawi.** **1min. 9secs.** **13**
Achoputala Malawi inwe oke unwu ohia n'etiti ndida nke ime obodo ntoolite na Afrika.

## *Ihe nriba ama*

**Otu AENS eturula abuba ugo oke nta** **1min. 28secs.** **14**
Akuko nwere onwe nke etiti mba uwa

**Ikikere statistic** **3mins. 29secs.** **14**

## *Ngalagba umuntakiri*

**Etu nwapfundhala siri gburie osisi** **6mins. 18secs.** **15**
**Nwafundhala, oke bekee muru uru di na enyi**

**Anu zebra mbu** **8mins. 9secs.** **15**
Kedu ihe zebra jiri nwe mkpuchi mgbukee oji na ocha na enweghi mpi.

**Umu okwu ncheta ikpe azu umu okwu echefrughi-echefu banyere nche kwa na ntoolite otu n'ime Afrika akpoola oku nhinwe iwu gbasatara ebumputa uwa na mgbanwoe 4mins. 35secs.**

Ndi nnochite anya Afrika n'onodi nzuko nke ise banyere ndu di iche iche gbara na mkpuru abali iri n'ise wee rue iri abali abuo n'isii nke onwa Mee, na Nairobi ekwu-kwasila mkpa odi iche kwa ime obodo nwere onwe nke ndi oru ugbo n'aka ndi ihu abuo site najikoota a ka ha n'umu otu ulo oru di iche iche banyere umu oru a.

N'ime ibe akwukwo abu nke otu onye nnochite anya si Ethiopia guputara, ndi otu Afrika kwuru ka enwe ezi udoo mmekorita ahu n'etiti ndi isi ochichi nke umu ime obodo maka igba mbo iche kwa umu onodi ndu di iche iche ha na isonye kwa n'umu ikpa ububo mkpebi okwu. Ndi otu nnochite anya nke Afrika so kwa n'ime otu, n'ime otu puku nari ise ndi nnochite anya di iche iche nke zukotara na nnukwu onodi nzuko leebara anya n'umu nche kwa ndu di iche iche na Nairobi akporo - COP5.

Otu a kwuru ka akwado kwa ndi nka oru ugbo n'ime obodo site na iji umu akuru ngwa agba ohuu na ndi nke ochie ebuli umu akuku ihe ubi n'umu agbataobibi ndu ha na mbuli nkoputa erimeri. Ndi otu a kwuru ka eweputa umu usoro iwu ndiahu bu usoro emume nka Afrika maka iche-kwa oke were onwe umu ime obodo, ndi oru ugbo na ozuzu umu anu ha na umu iwu nyere nwere nweta umu ihe ndu di iche iche [O.A.U, 1998].

N'umu ihe nziputa ha, ha mere ka odoo anya n'umu ihe ndi nke di ha mkpa bu izighachi azu ihe ebumputa uwa na Mgbanwe si mba Afrika, inwe ohere nkete oke umu onu ego nke umu ihe ndia mitara n'usoro niche kwa ya CBD otu a nupuru isi n'umu usoro ihe ndu ma na ekwu na okwesiri ikwado kwa umu onodi niche kwa ndu umu osisi n'uzo di otua. Ndi otu nnochite anya nke Afrika rioro ndi obodo ndiahu na ntoolite na ego agbam ume igbasoro isi okwu iri abuo na otu maka imawaputa akpa uche na ego nkwado nyere umu ihe ndiahu n'ime Afrika inyere onwe ha aka umu ihe ndiahu bu mkpa ha. CBD.

*All Afrika News Agency.*

**Ndi otu oru nleeta umu anumanu akatoola ichu nta umu anumanu na Namibia 4mins. 30secs.**

Ndi otu nleeta nche kwa umu anumanu nke etiti mba uwa, egosila ihe mgbagwoju anya etu isi ochuchi nke Nambia siri kwupute mgbati kwu ichu nta oku umu anu bu n' ime izuka nke gara-aga ka ndi isi otu ochichi nke Namibia nabatara ozi atumatu bu nke si n'aka onye minista oku azu bu Dr. Abraham Iyambo Ibrawanye oku umu anu okpukpu abuo site na abuo wee rue ano. Na mbi afo a, ka Iyambo no kwue n'isi ochichi no na atumatu mbuli elu onu ogugu oku umu anu i'ime afo puku abuo ma na ekwu na mbawanye onu ogugu ighu umu anu mmiri na Namibia bu ihe iyi egwu ebe oku azu no. Amuma oku igbu umu anu ndia ga amalite n'ime abali mbu nke onwa Ogostu nke puku afo abuo a.

Sarah Scarth ji okwa Director ego nkwado nke South Afrika kwuru na ha esola usoro nile bu nke eji aru oru nzulite ichu nta umu anu kwa afo, otutu afo gaara aga ma onwebeghi ihe obula nke gosiri akuru sayensi ma obu uzo ozo iji wee kwado mgbatikwu owuwe ihe ubi anu mmiri Namibia.

Okwuru na enwere nnukwu umu ajuju gbasatara nchekwa owuwe ihe ubi ndia. K'ihe siri kwuru ugbua, onwebeghi usoro nkwekorita iji wee mata onu ogugu agumisi maobu gosiputa utoo ya kwa afo. O ga bu ihe mgbagwoju anya ibuli mgbatikwu oru mbo ogbugbu anu mmiri a na enweghi ozi nke oma.

Onwegbi usoro akuru Sayensi gbadosiri ike bu nke arotara bara ndi oku azu uru. Nchocha oru sayensi n'etiti mba uwa tumadi Canada egosila na oke oku azu butere umu unwu azu na bughi nnapu dika ha udi umu anu ohia ha na miri bu mkpuru okwu nwanyi a Oburu na aga enwe mbawanye ogoo oke nke achoro, ozi nile gbasatara nkwado ichu nta a, ka aga enyefe n'aka ndi nile nke ga enyochasi akuru sayensi kwuru nke onwe ha.

Oke Namibia n'ime afo 1999 di iri puku ato umu anu ohia na puku ise ndi nnukwu. Dika onu ogugu nke achikotara n'ime onwa iri na abuo nke afo 1997 nchikota onu ogugu umu anu mmiri ohia ka eleere anya idi Nari iri puku itolu n'ise. Enweghi onu ogugu maka ndi nnukwu umu anu mmiri ohia.

*Panafrican News Agency.*

**Agwala ulo oru nsiputa ciment inwe mmetuta ahu ebe gburugburu no 2mins. 30 secs.**

Ulo oru Nsiputa ciment n'etiti Afrika ka aturu aka mgba itinye uchu n'umu aka oru banyere nche-kwa gburugburu n'umu mmadu nke bi n'etiti ogbe nsipute ciment ikuru ajoo ikuku.

Onye Minista njem nleeghari anya, ulo oru mbo na azuma ahia nke mba kenya bu Nicholas Biwott kwuru a ka ndi ulo oru mbo kwusi itukwasi obi n'umu uru nke ha na erita n'onodi mghide re ndi mmadu n'usoro ahu ike Obu na ogbako nzuko nziputa umu ozi banyere ikoowaputa umu ihe gbasatara ciment ka okwu a putara ihe. Nicholas Biwott gwara ndi oru nsipute ciment na Kenya iru oru ikuru umu obosara ala nke ha kpagburu. O gwara ndi ulo oru mbo ciment inomiri ulo oru mbo ciment nke Mobasa hiwere isi na Bamburi amara-ama maka ezi aka oru ntuteghari gburugburu.

O gabu ihe ziri-ezi ulo oru mbo ciment itinye uchu na nche - kwa gburu - gburu bu onu mmiri okwu onye Minista a, ma na agwa ha ituputa umu amuma oga nihu. O bu ndi Kenya Bureau of Standards Kwadoro ogbako nzuko a chikotara ndi isi stake eholders nke ulo oru mbo ciment obodo a.

Mba Kenya na eji ciment kariri nari puku nde ise metric tonne kwa afo bu nke putara iri kg ise kwa otu onye kwa afo.

*PanAfrica News Agency*

**Ghana: Nt oochepu onu 7 mins.**

Akpagbu nke ana akpagbu inyom bu ezi okwu mana nani ufodi umu nwanyi di na nijikere ikwu okwu banyere nkea. Otutu mgbe inyom na enwe umu ihe ogbata ughie bu nke na anabiga ha ikwu ihe banyere ya. Ma mgbe obula ha choro ikwu ihe banyere nkea, o bu otu nke Steeti bu ebe ikepeazu ikpesa nkea, kama ha ekpesara ezinaulo, ndi enyi maobu ndi nke bi n'ime ogbe.

Nkea bu ufodi umu nchioputa ohuru bu ozi enwetere eji emeghide inyom n'umuaka. Isi okwu ya bu " Nitooghepu onu naka mgba banyere umu ihe nzuzo eji emeghide inoyom n'umuntakiri n'ime Ghana," Ozi a chikotara muta banyere oke na nwunye na otu Human Right Documentation Centre [GSHD-RC] Trade Union Congress [Tuc] Centre for the Development of People [CEDEP] Action Aid, Bawku East women's Development Association [BEWDA] world Neighhours, Centre for sustainable Development Initiatives [CENSUDI] na Associates in Development [ASSID] Umu ozi ndia gazuru ogbe nlekota iri abuo n'etiti mpaghara iri nke obodo. Usoro aka oru nyocha a agunyere mkparita ububo, n'etiti otu n'ibe ya, zipu umu ajuju na isi okwu ajuju onu.

Akwukwo ozi a, leebara anya n'umu mkpa ezinaulo, ndi enyi n'uzo nkwado na enyem aka mgbe obula inyom nwewere mkpaghu ndi obula. N'etiti inyom ndi nke kwuru okwu banyere mmeghide meruahu itolu n'ime iri kwuputara ya n'uzo na-abughi mkpesa [Ezinaulo, ndi isi ulo uka na enyi] ebe otu onye n'ime iri kpesara n'ulo otu ndi oru nke Steeti [Ulo oru uwe oji na ulo ikpe].

Akwukwo ozi a, bu otutu umu ihe merenu ndi lnyom jiri juo ahu oyi ikpesa maobu kwu okwu banyere mkpagbu ha, nke gunyere - ihere awaghi anya n'aka nke onye omere ona ha eze iji mkpagbu nwanyi emere isi okwu onodi ububo ha, ha na inyom enweghi ntukwasi obi n'aka ndi otu oru okwesiri ikpesara. Ndi ozo bu usoro omenala, na mmekorita, ihe emere ndi nke anuru na mbu, onu ego olee ofuru, ujoo na egbe onu ezinaulo. Na iji wee maa atu, abuo n'ime iri ahapughi di ha na aghayegi aka ike nke eji eso ha n'chi nsogbu onodi ezinaulo na ndi enyi ebe okara ndi inyom nke agbara ajuju ahapughi di ha n'ihi umuntakiri.

Dika akwukwo ozi a siri koowa, mmanye inwe mmeko, mmeko nwoke na ada ya nwanyi, mkpasu iwe ka ewere dika aru. Umu agwa ojoo ndia adighi aputa ihe ebe anaghi ekwute ya ma otu. Umu ihe ndia metutere ndi nile nke amanyere n'ike inwe mmeko nwoke na nwanyi.

N'ihe banyere onu ego nke emefuru emefu, inyom percent iri na asato, ka achoputara emeruru ahu n'ihi ogu maobu iti ihe na eleetaghi onwe ha n'ihi uko ego.

Na mmechi akwukwo ozia, okowara n'obaghi uru inwe ubara otu ma obu ndi nkiti ga agbata oso enyem aka banyere mmeghide na mkpagbu inyom n'umuaka n'imejuputa nkea, okwuru ka atupta umu usoro iwu di iche-iche ha na usoro nke aga agbasoro ichikola mkpesa na nchikota aka oru mgbasa ozi meghidere inyom na umuaka.

"Oru Nyocha a" ga enyere ndi Stakeholders aka inwe onu ogugu iwaghide ma leeba akwa nya n'umu mkpagbu ha na ohere gbam mbo ichoputa usoro okwu udo na mkpezi bu mkpagbu nke metutere inyom n'umuntakiri bu onu mmiri okwu okanmuta Akua kuenyehia nke ngalaba ihe omumu oka iwu mahadum Ghana.

*Accra Mail*

**Isi ochichi di iche iche zukoro ilebaghari anya n'ime ndu anuohia nke Afrika** **4mins. 15secs.**

Nnukwu otu di iche iche nke ji otu olu kwekorita, anabataghi azuma ahia uzo nzuzo na fauna na flora nke Afrika, malitere onodi nzuko ha na mkpuru abali ise nke onwa Julai na Nairobi Kenya,nkea bu ileebaghari anya ma mmeghari umu akwukwo ozi n'umu ihe ndi ozo bu nke otu United Nations weeputara n'udi ya. Ndi isi ochichi Kansul nke "Lusaka Agreement" bu nke akporo na mbu Lusaka Agreement on Cooperative Enforcement Operations gbakwasiri ukwu n'usoro azuma ahia nzuzo nke ndu anu umu ohia Fauna na Flora zukoro n'isi onodi ulo oru Task Forsce ya di na Kenya Wildlife Service.

Jim Sniffen bu onye oru mgbasa ozi nke United Nations Environment Programme [UNEP] kwuru na nkea bu otu uzo aga eji akwado amuma isi ochichi Afrika, ga eji kwasi usoro uzo azuma ahia nzuzo nke anazuwa Fauna na Flora. Obu site n'amuma UNDP ka esisiri hiwe Lusaka Agreement ebe ndi isi ochichi kansul na eleeba anya n'umu akwukwo ozi nke si n'aka onye otu oru Executive Director tinyere ozi nke si ni aka Director Lusaka Task Force.

Otu Task Force a, otutu weere dika "African Interpol for wildlife" ka ehiwere n'usoro nkwekorita, ibu agha ndu okeohia n'etiti Afrika site na njikota aka onu imee nchocha na nkesa mgbasa ozi, ha na nzisa ya.

Ndi otu isi ochichi kansul a gunyerendi otu isi kwekoritaranu no kwa ezi ozi ikwado aka oru otu Task Force. Dika ozi UNEP sire kwue, ndi oru Task Force ha na ndi otu Bureaus nke etiti jikotara aka onu ruo oru oke ala mitara mkpuru oma. Oru a mere ejiri kechie nari kuru nari ton odu enyi n'umu ngwa ogu, tinyere ndi mmadu nke na egbu umu ihe ndia. Otu ndi nke so na nkwekorita a, bu Republic of Congo Kenya, Lesotho, Tanzaina, Uganda na Zambia. Ethiopia, South Afrika na Swaziland ebinyela aka n'ime akwukwo bu nke malitere idi ire na mkpuru abali iri nke onwa iri na abuo ime afo 1996.

*United Nations*

**Enwela ubara ndi inyom na ntuli aka nighoputa usoro ochichi na Zimbabwe 6mins.**

Inyom Zimbabwea gbara mbo mbuli onu ogugu ha elu n'usoro ntuli aka nghoputa ochichi gbara n'ime onwa Juunu, iri mkpuru abali abuo na ano, ha na iri abali abuo n'ise, chikotara onu ogu inwe iri ise n'ise sonyere n'etiti otu ndorondoro di icheiche na zoo oche ochichi. Nkea bu onu ogu kachasinu ka mgbe iri afo abuo obodo akwuru.

N'usoro ochichi nke ekposara n'ime onwa Eperelu mkpuru abali iri na otu nwere inyom iri abuo na otu nke otu n'ime ha sonyere na otu ndoro ndoro na esoghi n'isi ochichi. Otu ndoro ndoro nke no n'ise ochichi bu ZANU-PF [Zimbabwe African National Union Patriotic Front] nwere inyom iri Mmadu abuo Kachasi n'onu ogugu zooro vootu ino n'ochichi Otu ndoro ndoro Movement for Democratic change [MDC] bu nke enwere n'onwa itolu gaaraara nwere inyom iri na otu n'ime otu nari n'iri abuo ndi zooro vootu.

Ma etu osila di, otundi inyom nke gbara mgborogwu enweghi ezi afo ojuju n'onu ogugu a, obu ezi okwu n'umu ihe nile nke otu ndorondoro bugasi na obi ha na nkwa ha ma etinye ha n'isi ochichi leebara anya igba inyom ume na oke nwere onwe n'etiti ime obodo. Na ntuzi aka ndi otu MDC kwere nkwa mbuli elu onodi obibi ndu nke ime obodo" n'etiti nghata ngha nwoke na nwanyi n' aku n'uba ihe eji atu ndu manu na okwu ndoro ndoro bu nke na ekwu na nkea ga gbaa mbo ihu na ekeewaghi umu nwanyi n'etiti onodi inye oru na okwu aku n'uba n'ihi onodi banyere imu nwa na nzulite umuntakiri. nzulite umuntakiri. Otu ndoro ndoro Zanu-PF kpebiri na etiti otu ime nzuko ha, na opekatampe inyom ga enwe onodi iri ise. Na nzuko ha nke biara na mmechi na afo gara-aga ha kpebiri inabata akwukwo na ekwu n'ime onodi ato nke ha nwetara na otu n'ime yaga bu maka nwanyi. Ma amuma a amalitebeghi idi ire.

Ebe umu nwanyi ji onu ogugu iri percent ise na abuo na anochite onu ogoo ka okara dika otu SADC siri tuo anya, ndi inyom na gbasi mbo ike ihu na emmejuputara nkea. Maba zimbabwe enweghi ihe ima aka nyere ndi isi ochichi obodo ndi ozo nke no n'ime South Afrika banyere nghata ngha n'etiti nwoke na nwanyi South Afrka na Mozambique bu obodo abuo jikoro aka imejuputa onu ogoo iri percent ato eweputara dika etu nkwekorita ndi isi ochichi obodo siri binyere aka n'ime akwukwo nke afo 1997 akporo Southern African Development Community, [SADC] bu kwa obodo obula n'ime obodo iri na ano ga emejuputa n'ime afo 2005.

Ka odi ugbua, mba South Afrika kachasi inwe ubara n di inyom n'etiti usoro onodi ochichi ya ha na onodi isi oru na mpaghara a . Otu ndi ochichi ha di nari mmadu ano nwere inyom di otu nari n'iri n'itolu maobu iri abuo percent n'itolu n'uma asato di nso n'onu ogoo nkwekorita nke afo 1997. Mozambique gbara

onye nke abuo inwe iri abuo percent na asato u'uma ano n'ime nari Mmadu abuo n'iri ise, iri asa na otu bu inyom, mana, n'ime iri ato na asa enyere oche onodi oru nani otu n'ime ha bu nwanyi. Otu abuo bu African National Congress no n'isi ochichi nke South Afrika ha na FERELIMO no n'isi ochichi nke mozambiqwe nwere ogoo iri percent ato bu ndi inyom n'usoro nhiwe ochichi ha bu kwa nke nyere aka ha isonye n'umu mkpebi umu anuma di iche iche. Mba Malawi, Swaziland na Lesotho bu obodo ndi kachasi nwe onu ogu di nta nyere inyom n'usoro onodi ochichi ya dika na ogbe mpaghara SADC ebe ha nile nwere onu ogugu nke na erughi percent iri na otu dika bu etu ekwuru.

*Southern Afrikan Research and Documentation Centre.*

**Ndi oru nta akuko dika ndi okpe udo na oge oghaghara 3mins. 8secs.**

Otu nwere onwe, bu nke hiwere onodi nzuko omumu ihe nke leebara anya, na nchigharita uche na nchikota aka oru umu nsogbu bu nke nwe kwara nkwado otu United States Agency for International Development Office of Transition Initiatives [USAID-OTI] Weeputara umu akwukwo mkpebi onodi nzuko ha bu nke na ekwu na ekwesiri ka ndi ulo oru nta akuko doogharia isi onodi uru ha bu nke ha ji akuko man akpa obi oma, ma mgbe obula enwere umu nsogbu, ituputa amuma eji ekpe udo ma gboo kwa nsogbu a ma mbu na obi isi onodi nzuko omumu ihe a bu maka umu agba nwanne na nwanne na okwu udo banyere nsogbu nke di n'etiti usoro okpukperechi nabatara ndi oru ime obodo, ndi isi nke okpu kperechi di iche iche, tinyere ndi nkiti si ulo akwukwo di elu. Ndi ozo gunyre ndi oru nta akuko si n'ulo oru igwe Redio ha na mbipte akwukwo tinyere ulo ori ngwa - lere di iche iche.

N'umu okwu iri na otu nke otu onodi nzuko a weeputere, ha kwekoritara ka ulo oru nta akuko na ezipute akuko ga egbooo ogu karia imunye oku n'umu oghaghara dika esi ahu ya na oge ugbua na obodo anyi bu Naijiria. Agwara ndi oru nta akuko ikwado kwa umu otu nwere onwe na gba mbo iweeta okwu udo n'etiti umu nsogbu ndia. Onodi nzuko omumu ihe a, choputara n'usoro aka oru nke ndi otu oru nta akuko kwesiri ighanwoe mgbe nsogbu kpoturu mana o bu ndi oru nta akuko kachasi buru na obi imunye oku karia ichoo uzo igboo nsogbu a.

Joan Mbagwu bu otu one n'ime ndi nke kwuru okwu n'etiti onodi nzuko a, kwuru ka ndi oru nta akuko nye aka nchikota aka oru umu nsogbu nile a n'uzo di ogoo, n'ihi na obu site n'uzo di otu a ka nghota, mkpebi, Enyioma, mmekoriata ahu, Nzirita ozi, oga n'ihu Udo, ihunnaya, ha na mbawanye nke akpa nche/ ga esi adi nammechi okwu ya, odi mma mmeghepu obi anyi, imata na nsoghu obula nyere ohere mgbanwoe na ntoolite, oburu na ayi aghazie nsogbu nke oma gbara igba oso ihapu ya ka obute nnukwu ogbagbara udo nke na ezughi oke.

*Post Express*

**Nche kwa umu azu sharks n'etiti odida anyanwu nke Afrika 10mins. 6 secs.**

Ihe kariri umu azu shark di iri ise n'umu azu udi ya kariri iri ato n'umu azu ndi nke yitere ndia no na nnukwu ihe iyi ujoo n'etiti mapghara nke odida anuwunwu site mauritania rue Guinea nke gunyre cape verde.

Dika umu mmadu siri na achu oku mkpochapu umu azu sharks na azu ndi ozo, ha na iyoo mkpochapu kwa obibi ndu di iche iche mere otu World Union for the Proteciion of Nature [IUCN] na world wide Fund [WWF] jiri tuputa uche n'oru nyocha oru ngo tinyere umu mbu na obi usoro oru nke ogbe a n'usoro

nke etiti uwa, otu UN Food and Agriculture Organisation akwadola nche kwa aka oru sharks ka mgbe ime afo 1999 maka otu steeti nile ndia inye aka nche kwan'usoro onodi amuma oru nyocha ya. Fondation Internationale du Bane d'Arguin '[FIBA] ha na IUCN n'umu ulo oru di iche iche ka mgbe afo 1997 no na emejuputa umu oru ngo nyocha banyere shark na mpaghara, a n'usoro ichikota ma leeru anya oghe odida anyanu nke Afrika. Umu azu nile nke egburu n'ime mmiri obodo Mauritania wee rue Guniea ka eleeruru anya nke oma, ebe onu ego nke enwetere ka ejiri kwado ntoolite ogbe onu ogugu sharks, ozi a gosiri nnukwu mmeghu di ukwu.

Oru nyocha a gosiri na ufodi umu azu ndia dika sawfish, adighizi a mpaghara a, ebe ndi ozo dika straw-fish, tiger shark m obu hammerheard sharks no n'ihe ujoo. Nkea sitere n'ihi usoro ndu ha, bu ogologo ndu ma wee otutu oge igba dimkpa imuta umu [afo iri n'ise maobu karia nyere ufodi umu azu] ha na amu nwa [Eyighi akwa ma muo nwa na anoro nke onwe ya] bu nke ana enyewa ara [kariri otu afo nyere ufodi mwere obere oge imi mkpuru [pekata mpe umu iri k'ufodi na ebuwe] etu osiladi onu agum onu isi ha ji nwayo arilite ehu merenu ebe na ebe enwere ha nsogbu malite ana ekpochapu ha otu mgbe.

Ma azu shark nwere ezi oru nke ona aru ebe umu ihe nile nke bi na osimmiri no, mkpochapu ha bu nsogbu ha nyere umu anu ndi ozo bu nke ga aghanwoe ebe obibi ndu umu anu mmiri ndi ozo. Oke ichu oku ha na mkpochapu umu azu sharks nwere ike ibu nte sogbu umu ulo obibi ndu mmiri.

Onodi a enyeghi aka ma otu n'ihi na enwere ubara ndi choro umu akuru ngwa sharks. Taa onu ahia umu ihe ndia na ari elu otu mgbe. Otu kilo ezi nche kwa ihe nke na enyere azu aka inyachari na mmiri naada otutu nari dolla US na HOng Kongi ebe ana azuru ndi oku azu n'onu ego di iri dolla ise n'onu ahia di otua bu nke na ebu ihe iyi egwu ebe ndu umu azu ndia no.

N'ihi ihu abuo nke umu anuohia ha gburugburu na usoro okwu aku n'uba ji anoo n'ihe ujoo, ndi otu di iche iche oru ha bu nche kwa umu ndi oke ohia gbakoro aka ihu ha na ndi otu Fisheries Commission [CSRP] kwadoro odi nso a, onodi nzuko nke kpoturu ndi oku azu sharks na nche kwa aka oru umu anu mmiri di iche iche. Onodi nzuko a chikotara ndi nile nke ji oku azu atu mgbere ahia na ndi onona etiti nwere ndi oru nchocha ihe omimi na ndi nnochite anya ulo oru n'ahu maka oku azu n'etiti obodo di iche-iche na mapaghara a.

Amuma ndia a, weeputere umu ihe ndiahu di mkpa, ga enye ka igboo nche kwa umu anumanu ndia, tinyere ndi njem nke oku azu nke sitere n'oru aka CSRP. Mkpa odi ikwadosi ike nchocha gburugburu n'umu ihe ndu umu anumanu ka akoowara dika mkpagbu n'ihi na achoro umu ozi nke ga enye ake nleebaghari anya, usoro iwu ndi di adi. Onodi nzuko a, kwekoritaria ihiwe usoro nchekwa, ga egbochi ogbe na oge omimu sitere na ibelata mbo iku oku azu nile. Akuru ma kwezue mkpa odi ikwado ndi oku azu nke ime obodo ibupu ihe iku umu azu ndia ma kuo oku azu ndi ozo maka igbochi mgbe oga agwu mkpam kpam. Aga eleebara ndi onona etiti ha na mgbere ahia oku umu azu ndia anya. Ndi otu omeepuru onye uwa ka akporo ikwado onodi ndi ime obodo na Steeti ma di kwa na njikere isonye n'umu mbo nile. N'ikpeazu ndia nile kwenyereka akpalie muo ndi nile nke nwere onu okweu nkwdo mgbasa ozi ndi otu oru ma gbasa kwa ozi akpa uche sitere n'ulo oru mgbasa ozi n'usoro amuma muta ihe mmeme a.

Aga achikota umu amuma ndia nile a onu mgbe ana kawado usoro nziwe nche-kwa aka oru onu ogugu sharks n' etiti otu mpaghara a. Mkpuru oma nkea ga esite na njikere nke ndi nile uche ha no n'ime ihe ndia ha na ndi nke na enye kwa ego nkwado amuma a.

*Panafrican News Agency.*

**President Clinton ebinyela Aka n'ime akwukwo isi ogbugba ndu abuo 2mins. 9secs.**

Na mkpuru abali asato nke onwa Julai nke ime afo 2000, ka mba United States bu obodo mbu binyere aka n'ime akwukwo n'isi okwu abuo bu nke ogbugba ndu United Nations nyere ikikere ogoo ntoozu oke n'etiti uwa dum iche kwa umuntakiri. Nkea malitere idi ire ka President Clinton binyere aka n'ime akwukwo gbasatara mmeme isi okwu abuo a hiwere isi n'isi ulo oru nke otu UN no na New York.

Na nnabata ndi otu isi ochichi mba US ibinye aka n'ime akwukwo banyere ogbugba ndu abuo n'onodi nzuko nke oke nwata inwere onwe ya gbasatara iche kwa umuntakiri nke banyere igba akwuna, ha na ibu umu ogbagbara bu egbe, onye UN Deputy Secretary General bu Louise Frechetle kwuru n'usoro a eleeghi anya ga agba obodo ndi ozo ume isonye ma deepata kwa aha ha n'ime ugbo amuma a.

Umu akuru ngwa oru abuo a bu"inwe muo ikpe ziri ezi nke etiti uwa", ha na ikeete oke na "ekwesiri inye umuntakiri ihunnanya, na nche kwa" ka President Clinton kwere nkwa izijee umu oghugba ndu abuo a n'ulo nzuko sinate bu nke onwere olilee anya ga aputa ihe n'ime afo a. Mba US nwere muo afo ojuju na enyere ya ohere itoo ukpuru izu nkwekorita n'usoro nruritra uka ma buru kwa obodo mbu binyere aka n'ime akwukwo, President Clinton kwere nkwa ihu na mba US buzo gosi uzo mmejupua umu usoro ogbugba ndu abuo a, ka umuntakiri etiti uwa "nwee ezi odi mma mgbe odi n'ihu karia mgbe gaara aga.

*Addis Tribune.*

**Iji nwayo emmepe obodo: Nnukwu ihe iyi egwu ebe usoro ahu ike na gburugburu no 8mins. 33secs.**

Achoputala na enweghi ezi amuma mmepe obodo dika ihe iyi egwu nke usoro onodi ahu ike na ndida Anyanwu nke Afrika na ebuwe mgbasa umu oria di iche iche. Umu oria ndia na esiwe na nsogbu nke gburugburu bu ndi dika mmeru mmiri enweghi ezi ebe mpochi, ajoo umu ikuku anuwuru oku, anwunta tinyere umu onodi ndi ozo bu mbikoo ubara umu mmadu Dika umu anwauna umu ozi nke si n'aka otu United Nations Envrionment Programme [UNEP] bu Global Environmental Out look 2000, Umu nsogbu ahuike a ka njo n'etiti obodo ndiahu na etooite etoolite nihi nsogbu usoroo nodi oru ngo n'oru ugbo. umu chemicals bu ndi nke ana eji aru oru na obere na nke nnukwu ulo oru mbo kachasi bue nsogbu ndia banyere ukwara nta, ekuteghi ume nke oam, oria mkpuru obi ora mkpuru aku na ukwara ume oku. Ubara ikuru ikuru chemical na enye usoro ahu ike nsoghu n'etiti ogbe ndiahu mmepere emmepe tumadi ebe umuntakiri na umu nwanyi di ime no.

Otutu obodo ka emmepere n'usoro ochichi ndi ocha na azuma ahia abughi usoro ulo oru mbo na okwu aku n'uba nyere aka mbawanye ubara onu ogugu mmadu. Nkea mere na ogbe ime obodo ndiahu mmepere emmepe nwere umu ihe mgbenye bu nke na akwado kwa ubara onu ogugu umu mmadu. Onodi onu ulo

diagasi iche iche. Onweghu mgbe ogbe ndiahu mmepere emmepe jiri kechite ubara ogu mmadu n’umu okpu ulo nke ime obodo. Ndi nile nke daara mgbenya, kwukoro isi n’umu okpu ulo bu nke na eriteghi ha n’etiti owa mmiri maobu ogbe ebe ndiahu nke ubara onu ogugu mmadu eruteghi n’ihi enweghi ego ikuru ezi onu obibi maobu wue ulo obibi na oghe ime obodo. Ndi nile nke daara mgbenye, kwukoro isi n’umu okpu ulo bu nke na eriteghi ha n’etiti owa mmiri maobu ogbe ebe ndiahu nke ubara onu ogugu mmadu eriteghi n’ihi enweghi ego ikuru ezi onu obibi maobu wue ulo obibi na ogbe ime obodo Malawi, South Afrika, Zambia na zimbabwe bu akwukwo ozi. International Institute for Environmetal and Development [IIED] Umu obere idei mmiri bu nke eji akoo oru ugbo di ubara n’etiti obodo Afrika ebe ndi mmadu na choo uzo igboo agu site na mmeru isi mmiri site nanri ala n’umu ogwu ogbugba mgbochi etinyegasiri obere n’umu obosara ala.

Dika ozi UNEP siri kwue okara onu ogugu umu mmaduu ga ra ebi n’etiti ogbe ndiahu mmepere emmepe na ngwucha nari iri afo abuo ka odi ughua iri percent ato onu ogugu isi nke etiti mba uwa bi n’etiti ogbe umu obere obodo mmepere emmepe enweghi onu ulo obibi zuru oke bu ezi mpochi, owa mmiri naezi mmiri onunu iba na dengue fever bu umu ona nke na eseelita isi agbasa agbara ghara n’ihi enweghi ezi amuma mmepe obodo. Uzo umu anwanta abuo nke na ebuwe umu oria ighasorola ogbe ebe obibi nke gburugburu ya, bu ebe ha na eyinye akwa umu, mkpo, afo ugbo ala etuferu etufu, ite n’umu olulo.

Usoro nwunye umu ulo oru mbo n’etiti obodo ndi mmepere emmepe sokiwe emebi onodi ikuku nke na efeenu. Enweghi usoro nchocha na nche kwa ogo mmeru ikuku n’etiti ime obodo ndi nke mmepere emmepe na Afrika, ebe mmeru ikuku di nta kiri wee tunyere ufodi ogbe ndi ozo, nkea nazibu nnukwu nsogbu ebe ochichi ime obodo ndi nke mmepere emmepe. Udi mmiri ozuzo na egosiputa onodi udi ikuku ndi nke emmeruru emeru na mpaghara. Otu ajoo ihe nke udi mmeru ikuku a bu, bu acid mmiri ozuzo na esite na sulphur dioxide bu nke ahapuru naefu n’etiti ikuku na agbari na igirigi ibu sulphuric acid. Mmiri ozuzo acid a na emebi obosara ala, umu ihe akuku ubi, na akwukwo, ndi mmiri a na ebatere ndi mmadu nria nria.

Sitere n’umu onodi nke ogburugburu a, ogbe ndia ndi mgbenye bi adighi esi ike ibe ubara ogugu isi umu mmadu so kwa ebute unwu ala. Ebe usoro mmepe obodo na emetutu onodi gburugburu ma nche kwaya adighi mfe, mbeleta ime obodo nyere ndi mmadu ipu uzo ije na obodo ndi mmepere emmepe site na mmepe ogbe ime obodo ga enye aka n’onodi wee ndi mmadu n’oru. Udi amuma di otu a kwesiri inwe ezi usoro iwu akwu n’uba bu nke ga ebute muo ndi Madu ipu n’etiti ime obodo. Nkea ga ebelata oke ntara ma ahuhu ume oku n’umu nwunye ihe ndiahu eji atu ndu manu n’etiti ogbe ime obodo ndiahu mmepere emmepe ha a mbuli elu unwu ala nke gburugburu.

*South African Research And Documentation Centre.*

**Ndi otu okpe udo nke etiti mba uwa akpoola oku ka wetaa**

**mpu na aghugho nile nke ghara Sierra Leone na mmechi** **9mins. 48secs.**

Ndi otu okpe udo nke etiti mba uwa, ekwueal ka akwusi otu mgbe, nkuru, mmanye inwe mmeko nke nwoke na nwaji, igbua ohu nke umu agbooghobia na ndi Inyom n’etiti mba Sierra Leone. Nkea putara ihe na akwukwo ozi nke ha weeputara na abali abuo nke onwa Julai ime afo 2000. Umu ajoo ndu ndia nile a, bu ihe ndi nke putara ihe n’ogu nwanne na nwanne nke afo itolu ji Sierra Leone aka. “Mmanye meko

nwoke na nwanyi n'ogbugba ohu tinyere umu ajoo uzo nke eji amanye inwe mmeko so an otu uzo ndi agha nnupu isi waghidere aka bu nke na agbasa ka oku n'ozara," obu ndi otu oke nwere onwe na Wider International Community na agba mbo amam okwa a nyere ndi otu agha di iche iche bu ndi nke na ebuwe agha na Sierra Leone.

Akurula ma manye kwa inwe mmeko, puku kuru puku ndi inyom nke ogoo afo ha di iche iche . Otutu mgbe ka ha buru enyi nwanyi inwe mmeko maobu nwaji onye agha na. Ogboo ooju. Na agbanyegi umu ihe idi egwu nke mmanye inwe mmeko nwoke na nwanyi na ebu, otutu oge mmanye inwe mmekoo a na ebute mmeru ahu, idi ime n'ike umu oria ona maobu onwu. Ihe iyi egwu nke ndi agha nnupuisi na eme ebe ndi nkiti no tinyere nwoke ajanyere n'ike inwe mmeko ha na onye ezinalulo ya na amuma ibepu aka maobu ukwu.

Naghanyegi umu okwu udo nkwekorita nke ebinyere aka n'ime akwukwo na mba Lome, Togo n'onwa Julai nke afo 1999 n'etiti isi ochichi Sierra Leone na Revolutinary United Front [RUF] umu nnapu oke inwe ine mmeko nwoke na nwanji n'umu ajoo ndu ndi ozo ka no na aga n'ihu rue ugbua. Mmaliteghari ogu na enweghi ezi usoror nche kwa ka mgbe onwa Mee kacha bue ma kpaliteghariа onodi mmaye inwe mmeko nwoke na nwaji . Na etiti onwa me ka ndi agha nnapu isi bu RUF kuru ma mmanye kwa inwe mmekoo nwoke na nwanji n'ike ebe umu agbogho na inyom ndi nke no na akuku Masiaka di iri kilometres ano ebe isi obodo Freetown. Otu onye n'ime ndia bu nwanyi di iri afo abuo n'uma bu nke bu afo ime onwa ise bu onye nke ndi agba nnapu kruii mgbe ha weeghara ime obodo masiaka. Mgbe akuru nwanyi a n'ike, gbara ya otoo, ebe ndi agha nke ogboo ogu diria kwara ya. Ka ha kpuru ya kpujee ebe obibi ha, ha nwere mmeko ugboro ughoro ma manye ya ike kpujee ebe obibi ha, ka ona esiri isi erimeri ha n' ikpa nku.

Mbu na uche nke otu United Nations Mission na mba Sierra Leone [UNAMSIL] bu iche kwa ndi nkiti a n'umu mkpagbu ahua. Na imejuputa nkea, ndi otu [INAMSIL] kwesiri idi na Njikere iche kwa ndi nkiti nile nke gunyere umu agboghoo Inyom n'aka nkuru na inwe mmeko nke nwoke na nwanyi n'uzo mmanye tinyere umu ajoo usoro mmaghide di iche iche. Enyem aka a kwesiri ibu itinye ndi agha nke UNSANISIL tumadi na oghe Northern Province bu ebe mmeghide ndi nkiti no na aga n'ihu ma na agba mbo iche kwa ndi nkiti n'aka ndi agha ogbo ogu nnupu isi.

Ka ndi otu nke onwe ha na gbata oso enyem aka n'etiti ime obodo Freetoen inyerendi mile a nke amanyere inwe mmeko nwoke na nwanyi n'umu mkpagbu ha di iche iche, otutu enyem aka kwesiri idi n'akuku Freetown bu ebe enyem aka na erughi, nkea bu onu mmiri okwu ndi otu okpe udo nke etiti mba uwa. Dika usoro iwu omenala nke etiti uwa siri kwue, mmanye inwe mmeko n'etiti nwoke na nwanyi n'aka ike bu nke isi ochichi ma maobu ndi otu nke na ekwenyegi n'usoro isi ochuchi n'ihi agha ogbo ogu bu ntarama ahuhu. Mmanye inwe mmeko n'ike bu nke si n'aka onye agha ogboo ogu n'uzo mkpagbu bu nke ahuru dika ihe ojoo eburu naoge ogu, ma mgbe nkea weere onodi n'usoro maobu otutu mgbe nkea buzi mmeghide emeghidere mmadu. Nkea nwere ohere nuru n'usoro eji ekpe ikpe.

Na Sierra Leone etu ejiri weere mmanye inwe mmeko nke nwoke na nwanyi ike n'onodi nke ana atughi egwu maobu leegharia anya azu ebe umu agboogboo na inyom no bu agba iyi egwu nke ukwu. Okuwu Nkwekorita nke udo emere n'onwa Julai ime afo 1999 nyere ohere mgbaghara udo n'etiti umu mmadu bu

nke ogbo ogu butere. Mana ndi otu okpe udo nke etiti mba uwa kwenyere na ikpe okwu udo napuru oke nwere onwe nke umu mmadu site na inye ndi nile nke kpara ajoo agwa meghide oke nwere onwe nke umu mmadu ebughi ntarama ahuhu maka ighochi udi di otu a mgbe odi n' ihu. Ndi otu United Nations tinyere akwukwo nke na akoowa na ha ekweghi na nkwekorita okwu udo a mana aruturu aka igosi na okwu udo na mgbaghara ekuwghi ihe banyere umu ajoo ndu ebiri wee meghide mmadu na oge agha, mpu n'umu ihe ndi ozo bu ndi nke meghidere iwu nke metutere umu mmadu.

Ndi otu okwu okpe udo nke etiti mba uwa na eme ka amata, na onweghi usoro mmeghide mmanye inwe mmeko nke nwoke na nwanyi n'ike, umu mpu mkpagbu di iche iche akpara ejiri meghide umu agbooghobia na inyom kariri nke mba Sierra Leone. N'ichi nkea ndi nile nke biri ndu di otua ga aza aziza.

*Amnesty International*

**Beijing tinyere ise: Ndi otu nnochite anya nke afrika nwere ihe ngharipu obi n'onodi nzuko nke ndi inyom.** **9mins. 9secs.**

Ka onodi nzuko Beijing tinyere ise biara na mmechi na abali asato bu Toosede onwa Juunu nzube nke putara ihe bu na onweghi ihe nrita nke mitara mkpuru oma. Onodi nzuko a ma omalitere kpaliri muo ndi mmadu elu inwe olilee anya na ndi isi ochichi nile ga ekwe kwasi nkwa na nzube onodi nzuko nke anuo banyere etiti mba uwa enere na Beijing China afo ise gara aga bu na ha ga agbasoro umu usoro nil ihu na oke nwoke na nwanyi bu otu man nzuko a biara na mmechi ihu otu mmesapu obi na otunke na enweghi nkwado nke gomenti [NGos] ibu agha nrurutauka iche kwa 1995 Beijing Platform for Action, bu akwukwo nke ha zukootara imeeghari.

Onodi nzuko otu izuka a bu nnukwu esemokwu iwepute akwukwo oru nke ndi isi ochichi nile ga anabata. Imata etu obodo di iche iche siri gaa njem n'umu ihe gbasatara akpam oke nke di n'etiti nwoke na nwanyi na oga n' ihu ka buzi onodi ntoope umu esemokwu ochie banyere mmeko n'usoro oke di n'imu umu. Na innabata ndi otu NGO, G77 negotiator bu Timi Kurapamo Agary kwuni "Anyi emmela ihe nile iwaghide Banying Platfrom for action. Anyi gbara mbo ihiwe ya" Okwuru na obodo nile nke no n'ime G77 na otu obodo nile nke no n'ime Afrika ekwekoritaala n'umu ihe ndi nke ha ga anabata. Nkea kpuchiri nsogbu ikpa oke n'etiti uwa ha na umu nkwa di iche iche nke obodo kwegasiri bu na ha nabatara iewputa [D.7] uma percent bu eog ha nwetere maka enyem aka. Umu isi okwu nwere ka eji nwayo so n'onodi nzuko a. Ndia gunyere mmeko na oke omumu nwere tinyere onwe ha na inabata oke nwere ndi inyom n'etiti oke nwere onwe nke umu mmadu. Dika ndi otu okpu udo nke etiti mba uwa siri kwue, ufodi ndi isi ochichi obodo na adaghachi azu n'izu Beijing Platfrom for Action na ntuleghari ihe ekwekorita n'ime afo ise gara - aga. Otoosiri ibu Beijing tinyere ise abughi weepu ise.

Isi nrurita uka n'onodi nzuko na bu nkewa di iche iche bu nke sitere n'eitit otu G77 na obodo nke mmepere emmepre n'etiti mba uwa n'ihi ubiam na oke ugwo nke eji eji n'etiti uwa. Enwe kwara nkewa n'etiit okpukperechi ulo Alakuba ha na ndi otu kraist, ndi obodo obi oma n'usoro ine mmekoo na oke omumu nwere onwe. Otu nke na aghazi umu okwukwuru "N'orara ahu icheta mgbe nkworita siri ike. Itu anya ya kpuru afo n'ala ma daa mmiri.

N’iga n’ihi ndi otu owere onwe nke etiti Afrika zipuru ozi ikaatoo otu United Nation maka inabata umu mkpaso ajoo agwa n’ime izuka a. Owutere anyi nke ukwu na emere anyi ka ndi nke na aghotaghi ihe ekwe na aku. Odizi ka echighariri azu onye obula imee uche ya bu onu mmiri okwu Gladys Mutukwa bu onye nnochite anya otu nwere onwe si Zambia.

Isi ochich nke mba Afrika na ekpeazu isonye n’onodi otu a n’ihi uko ako n’uche nchikota oru n’ ubuiam. Ebe obodo ndiahu mmepere emmepe no na akwadosi ike na enwe kwa nzuko kwa onwa, ebe ndi nke Afrika na ezukowa na otu izuka i’ime izuka bu nek ama agg enwea ogbako nzuko a. Obu eziowu, tumadi mba Southern African Development Community na ebuwe ezi agba nwurita ukaa mana onodi ya dika ihe nke na anogbi ejiri anya okonye Leeru anya, ga ahu na imerime akwukwo ozi maobu oru nke weputere turu ugo mmeri koowara nke oma ihe banyere umu ihe ndi di mkpa nyere inyom Afrika.

Udi muo idaa mba nke enwere n’onodi nzuko Bejing a na eme ka eche n’onodi ndi inyom nwere “aka atumatu usoro ochichi ndi ndu.” Oke n’etiti nwoke na nwanyi nke etiti maba uwa adila ka ihe usoro ochichi ndi isi okacha mara bu nke na enyeghi ohere ikekere ochichi n’oga n’ihu okwu ndorondoro. Umu mbo nile naechiche banyere onodi nke otu UN gbakwasiri ukwu “N’umu akwu kwo” “ihe mkpuchi” na “Asusu”

Onye mochite anya nke mba South Afrika n’onodi nzuko a bu Preys Govender kwuru “ka ndi inyom jikota onwe ha n’etiti mba uwa” Nnukwwu ihe muta nke si n’onodi nzuko Beijing tinyere ise bu “Nchikota ndiom. Anyi aburula ndi oru okacha mara karia igbasa ozi. Nitoolite ndiom bukari okwu ndoro ndoro. Ahapuru irusi oru ike na nkwughari”

N’ubochi sotere ubochi ikple azu onodi oghako nzuko nke ndi inyom a na emmechi ufodi ndi inyom nke iwe digasi na obi kwuru na ezi na ekwurita okwu ma jiri cha uwe T-shirts bu “Onweghi njeghachi azu” ka akpuru ha n’akuku, ahapuru ha ikwupute iwe ha ka osiri di ha na obi. Obughi mmechi ya ka aturu anya. Na mmalite nari afo iri abuo na otu, odi ka inyom, oge ha akwurula otu ebe.

*Inter Press Service Afrika*

**Nche kwa ndu oru ugbo kpughere oke ohia nke Malawi 1min. 9secs.**

Mba Malawi kachasi n’nwe ubara unwu ala n’etiti mpaghara obodo iri na ano nke otu Southern Afrika Development Community.

Ma eleezie anya maba Angola bu nke agha kesasiri kachasi nwe nke pere mpe. Osoje onye ji okwa Director oke ohia bu Paulos Mwale gwara ndi KANA na ogoo nke unwu ala kariri otu n’umu asato percent kariri uma percent abuo odi na mbu n’etiti obodo otu SADC. Mwale bu otu onye n’ime ndi oru SADC banyere oru nta n’uzunchikota oghe oru oke ohia kwuru na nnkwu oke unwu ala nkeji malawi aka, Sitere na oke ntukwasi obi ikoo erimeri mghe mile n;umu obosara, ha nwere ha na isuhchasi ya mghe nile maka oru ubi. Nkea na ekpughepu ala ighoghe ma ghada kwa ma ikoopu erimeri .Okwu kwara n’onu ogugu agum onu isi so kwa na otu uzo maba malawi ji enwe oke unwu ala di ukwu.

Opeekata mpe, ana asuchasi obosara kariri iri puku ise lectare n'ime ohia nke malawi kwa afo, ebe ndi oru nche oke ohai na eme ka amata na nkea ebutu usoro umu ihe ndi nke na emeputewa maka nyere ndi aka.

*Panafrican News Agency*

## *Ihe nriba ama*

**Otu AENS eturula abuba ugo oke nta akuko nwere onwe nke etiti uwa 1min. 28secs.**

Ekwuputaala ma kpoo kwa aha African Eye News Service, Aens dika ndi nke turu abuba ugo mmeri nke afo a, si n'aka otu amara dika Knight International Press Freedom Award di na United States. Nkea gbara ubochi Toosidey. Nnukwu nturu ugo a ana enyea onye nkiti maobu otu ulo oru nke meputere ihe nribama n'etiti ulo oru mghasa ozi nke mpaghara nkea ya n'etiti mba uwa. Ndi otu oru knight Internation Press Fellows na akpoowa aha umu afo mba US bu ndi oru nata akuko kpaghariri etiti mba ofesi izi akpa uche ha ha ndi ogho ha nogasi ebe ahu. Nturu ugo a ga adi na International Centre maka "ndi oru nta akuko ziputara ezi aka oru bu opuru iche kwa afo n'izu oku oriri n'onunu nke ndi nta akuko ga akpotu n'ime onwa iri abali iri na otu nke im afo 2000 na Washington DC.

*Afrikan Eye News Service [South Afrika]*

**Ikikere statistic 3mins. 29secs.**

Bugharai amuma onu ogugu n'ihu nke onye ekweghi ekwe, ohere diri gi iji magbanwoe alaa ulo. Nkea bu ikikere oru statisties bu nke putara ezi okwu edooro n'usoro onweghi ndi ozo matara nke a nke oma kari kea ndi ulo oru mgbasa ozi otutu mgbe anyi na eche kwudo n'umu onu gou iji wee kowa okpuru kpu ihe, onodi okwu ha na ikwado kara udi na nwute uche.

Obu n'udi onodi nke di otua, ka mmadu ga eji atiya okonye na ncheocha kwu uzo di otoo ileeru udi umu akuko nke ndi ulo oru isi ndi ocha si ezi okwu edooro n'usoro banyere Afrika Onweghi ndi nke daara umu iwu ndia aga ataa uta karia ulo oru mgbara ozi nke ndi isi maba ocha. Ka mgba oria mmikpo malitere koawaike n'etiti nkeji uwa ala anyi.

Otut umu ulo oru mgbasa akuko nazi ebvueala nnukwu ozi mberede nke merenu otulu n'etiti nkeji uwa jiri mata. Nukwu ozi esepughi aka mere ejiri nwe umu akpa uche di iche iche ufodi bu ezi okwu ebe ufodi abughi. Ufodi bu ndi nke na enweghi onid. N'iji wee ma atu, omuma atu nkoowa nke ulo oru CNN Com "Oria Mmikpo 'Afrika no na ihe iyi egwu" cheeta na:

Odida Anyanwu Afrika enweghi yanke ukwu [dika owuwa Anyanwu Afrika] mana one n'ime iri Mamadu abuo bu okonye na Naijiria, obodo kachasi nwe ubara oru egugu isi ndi mmadu n'etiti maba Afrika enwere nje oria mmikpo di ire. kwa otu nkeji ka onye ozo na eburu ya.

Dika etu Naijiria siri buru ndi nke na enweghi usoro ezi onu ogugu nke dooro n'usoro n'uko enweghi ebe nyocha, mmadu nwere ike iju ajuju si "Kedu ebe CNN si enweta omuogugu nke ha na aghasawa n'ikuku.

**Nghala ba umuntakiri kedu eut nwapfundhala si eghuri osisi** **6mins. 18secs.**

Nwapfundhala, oke bekee na nwafre, Adaka no na emere enyi n'ime otu ime obodo ebe nwapfundhala bu uzo Nweeta enyi nwaji. Nwafere nwre ya anya ukwu n'ihi odi ma ya nkea butere ajoo obi n'etiti enyi abuo a. N'ikpeazu nwafundhala gwara Nwafre, enyela nsoghu ezi enyi ni mgbe ochie, aga m akponye gi otu enyi nwayi.

Ughua Nwapfundhala kpachapurue anya idi nka. Oghotara enyi nwayi nke na ezu tebeghi nwafere ma koowara ya na udidi abughi nil obu ihe di n'ime ka mkpa. Mghe nwaplfundhala koowa chara ndu nwafere n'uzo di ogoo n'ih nwa agboghoo a, onweghi ike iju nwa amadi a, nwafre wee nwe enyui nwanyi. Na aghanyegi nkea utoo ha abuo adichaghi mma.

Otu ututu nwapfunhala kpebiri ikuziri nwafre otu ihe muta. Bia soro m gbue osisi ogwara enyi ya nwanyi. Oburu anya osi ha abuo agawa n'ime ohia. Ebe ka nwafundhala ghoro otu osisi bu nke ha ghuturu, mmepe ya ma ghu ya ime ma chikota okpokoro abuo onu idi na otu dika odi na mbu. Ha gwuzoro ya otoo na otu ebe ahu ha ahuru osisi a tooro ma laa ulo ha.

Echi ya, nwagfundhala gwara nwafene ka anyi kporo ndi enyi nwanyi ndia gha gbue ufodi osisi. umu aghoghoo abuo a buhiri anyi osisi ma soro ha wee baa me ohia. Nwapfundhala butere uzo wee kporo ha gaa na oghere osisi a ka ohuru osisi a oruturu enyi ya nwanyi aka ma te mkpu na oke ohu, nke ndi ozo nuru nke oma, 'Lee osisi a? obu osisi m nke choro, aga meji isi mwee gbutue ya. Nwa obere nwapfundhala nwere ntu kwasi obi nke onwe ya wee ghajee ebe osisi a di wee jiri isi ya kpaturu ya. Osisi a bu oghere wee daa na elu osisi ibe ya.

Enyi nwanyi Nwafene nwere mmasi ma kpoghepu anya otu mgbe nwafene kwuru, o bu m kuziri ya etu eri eme nkea. O bu etu m si egbutu umu osisi nke m imatara. Owee leegharia anya choo otu osisi, ebe nke aghoro buturu ibu karia nke nwapfundahal. K'odi aka m ya sie ike, nwa obere oke, nke ka nke bu na osisi a bu osisi ndu.

Nkea bu osisi m choro, ka okwukputara "Lee ka m jiri isi m gbutue osisi a. Nwafere ji obi sie ike wee baghide osisia n'a nzoo ukwu ofee ma olee. Oweefuru isi ya wee jiri ike wee tie osisi a. Oke ada.

Onweghi mgbe ozo nwafere ga agba mbo igosiputa onwe ya dika onye siri oke ike karia Nwapfundhala.

*Shangani folk tales.*

**Anu zibra mbu** **8mins. 9secs.**

Na mbu mgbe ihe nile di ohuru naelu uwa, umu anumanu nile yiri ibe ya, onweghi nke nwere mpi puru iche maobu mgba mkpuchi bu so mma. Onye keere uwa no oru ruchapuru ezi oru na ihazi otutu umu mpi n'usoro ha na ogoo na mkpuchi udi obula na udidi di iche iche. Ka omechara, ohapuru ha n'ime ogha id nso n'ikpere odoo mmiri.

Onye keere uwa zipuru ozi nyere umu anumanu nile nke bi na ala obasara ahiahia, ka ha ga na ogba n'ututu echi ya ma ghoro mpi na mkpuchi akpukpa ahu nke onye chere ga adi ya mma. Nkea butere anuri ha na olilee anya, ma umu anumanu di kwa na njikere imata ihe onye keere uwa chere na echiche maka ha.

Anu nile, eweepu anu Zibra ba onye nke mkpa ya afo nri n'chere ututu umu anumanu nile bu nani erimeri, nkea bu ihe dooro anya n'etiti umu anumanu na zibra bu onye nile jeewere na ogba ma zibra bu anu na esoghi ha na njem a. Njem a buru ihe nke ga ewee ya ogologo oge, okara ya mma iga kuru ezi ahia ha maka erimeri ututu ya,na ya ahughi ihe umu anumanu ndi ozo ga eji aku ya mghalu ije na ogha, zibra kwuru na uche ya na ya ga eso ha na nwa mghe na adighi anya, mgbe m richara nri ututu. Umu okwu ndi na gbaa ya n'onu juputara na erimeri ahihia ebe umu anumanu ndi ozo hapuru zibra na ume ngwu ha na adighi uchu.

K'otutu awa gaa-chara mgbe zibra kpebiri na ya erijueala afo, ojiri ume ngwu na nwayo wee jeebe n'ogba, osowere obosara uzo nke umu anumanu ndi ozo so wee mee njem ha. Mgbe o na erute nso n'ogba ufodi umu anumanu amaliteala ilooghachi azu n'ala obosara ahia, ha ma zibra nwere ihe itu n'anya n'udi mghanwoe nke ohuru n'ime ha. Enyi ala weere nwa obere odu na mirimi mkpuchi akpukpa ahu, ma odu ya bu so mma. Odum weere mirimi mkpuchi akpukpa ahu ha na ezi aji olu di loori tooro ogologo. Anu Sable weere aji mkpuchu ahu roro aro ha n'umu mpi roo kwara aro.

Na otu na otu zebra gafeechara umu anumanu ndia n'udidi bu so mma. N'ikpeazu ochoro ibanye n'ime ogba, zibra gafere Rhinoceros, Rhino bu anu nke ohuru nke oma, okeere mkpuchi akpukpa ahu ka ya akuku meere ojiri ju eju. Okeete kwara mpi abuo na aghaghi otu bu nke okwu nyre n'imi. Na nchikota okwu anu Rhino pinu iche mana onwe ya juru ya afo.

Mgbe zibra banyere n'ime ogba, nani nnukwu mkpuchi nke buru bu nkeewa akara oji na nke ocha ebe enweghi mpi obula. N'ihi ogologo Njem nke zibra gaara, aguu malitere igu ya ozo owee turumkpuchi ndia na ahu. Akara ike ma ochoghi iama ma ya odi iche, ma enweghi mpi nke ahapuru ya.

N'ala obosara ahihia nke umu anumanu bi, onye obula no ekweekorita ibe ya ha n'umu mkpuchi akpukpa ohu nke onye ji.

Mgbe zibra Loobartara na ogbe ha, onweghi onye nke oleere anya, oghachite ha nkiti ma wee daa isi n'ala wee na laa nri erimeri bu nri ehihie ya. Mana umu anumanu chiiputara akara ocha na nke oji bu mkpuchi ahu ya, ha wee tupuru ya ekeele na ikwa ya emu ha na ihu ochi.

Duiker ji usoro ikwa emu we tie mkpu ma kwue "Leekwanu Zibra onye anya ukwu n'ihu ochi na mkpuchi ahuru ya enweghi mpi oh" Na otu ntabi anya umu anumanu ndi ozo nakwere ya.

Ma zebra achoghi ma. kedu uru mpi bara, ebe ihe ka mkpa bu ubara umu ahihia ndu bu erimeri mgbe obula m ohoro. Wee rue ubochi taa anu zibra enweghi ihe ojin mpi wee kporo, ono na eburu onwe ya ibu n'ahu oma di murimuri n'ime akpurkpa ahu mkpuchi akara oji na nke ocha.

**Umu okwu ncheta ikpe azu umu okwu echefughi-echefu banyere nche kwa na ntoolite**

"Mgbe ufodi chi-ekere uwa di omimi, ufodi mgbe oputa ihe karichaa, mana odighi mkpochapu"

**Francis Bacon**

**Essayist and Philosopher, 1561-1626**

"Sopuru ala nna nna anyi ha"

Thomas Bullfinch

1794-1867

"Anyanwu, onwa, na kpakpandu gaara imi ala otutu oge gara-aga, ma oburu na oruru ndi iro ya bu mmadu aka"

**Havelock Ellis**

Essayist and Psycologist, 1859-1939

"Chukwu agbazinyela anyi elu ala maka ndu. Nkea bu nnukwu onu. Nkea di nyere ndi nke na eso anyi, ma anyi enweghi ikikere n'udi obula maobu leeghara ya anya ime nkea, itinye ha n'umu usoro iwu di iche iche maobu napu umu uru nke anyi nwere ikikere ihapuru"

**John Ruskin**

**"**Onweghi onye nke ha ghoro ifuru ga enyeghi

Kpakpandu nsoghu.

**Francis Thompson**

**Poet, 1859-1907.**